**ETUM KA ANYI BU B$^b$ (Moderate and Solemn) by EZEUZO U.O.**

**CHORUS:**

Etum k'anyi bu (tenor: ntu naara ntu)(bass: ka mmadu bu); ahu anyi bu aja, (tenor: aja naara aja); mkpuruobi anyi g'eje n'ihu Chukwu k'ekpee ya ikpe. Biko Eze bi n'igwe, Chineke mee ebere; Biko Eze bi n'igwe, Onyenwe m mee ebere.

**VERSES:**

1. Mmadu kwusikeneri nwa oge; chee echiche, juo onwe gi, ihe ibu. CH.
2. Lee nu k'onye nwuru anwu si togboronu ma n'ututu k'odi ndu, ana-etu ya odogwu, omemgboji, agu, dike, nwanne m; Dike n'ozi n'ihu Onye ikpe. CH.
3. Leenu nnukwu mmadu n'uwa k'obuzi ihe nkiti, nri ahuhu
4. Ihe mmadu emela n'uwa, ogaghi agbanahi onwu; I ga-azariri ajuju n'ihu Chukwu. CH.
5. Onyenweanyi, I maara n'anyi adighi ike, meere anyi ebere. CH.

